**UKA NKE IRI ABUO N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME, AFO NKE ABUO**

**EKPERE MMEGHE:**
Chineke anyi, I kwadoro ihe oma a naghi ahu anya maka ndi huru Gi n'anya. Biko hunye mkpuru nke ihunanya Gi n'ime obi anyi. Mee ka anyi hu Gi n'anya n'ihe nile; hukwa Gi n'anya karichaa ihe nile; ka anyi wee biaruo n'anuri nke I kwadooro anyi, nke kariri uche mmadu nghota. Site n'Onyenweanyi Jesu Kristi.

**IHE OGUGU NKE MBU:** Ilu 9:1-6
**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ilu**
Amamihe ewuorole onwe ya ulo. O kwuwala ogidi asaa ya. O gbuole anu o ji akpo oriri. O kuola mmanya maka ya. N'ezie, o doziela oche nri n'usoro. O zipuchaala umuodibo ya nwanyi. O si n'elu na-akpo obodo nile oku si: "Ka onye o bula ume na obi ruru ala bata n'ebe a." Asi m onye na-enweghi uche: "Bia rie oriri m kwadoro. Bia nuo mmanya m kuru. Wepu aka na nzuzu ka i wee di ndu. Gaa n'ihu n'okporo uzo nghota."
**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu

**ABUOMA NA AZIZA YA:** Ps.33:2-3,10-15 Az.9
**Az: Detu Onyenweanyi onu ka i hu na O di uto.**
1. Aga m agozi Onyenweanyi mgbe dum. Aga m akpu otito ya n'onu m. Ka mkpuru obi m tobe Onyenweanyi. Ndi ume ala ga-anu olu m wee nuria. **Aziza.**
2. Unu bu ndi nke Ya, tuonu egwu Onyenweanyi. N'ihi na o nweghi ihe o bula koro ndi na-asopuru Ya. Nnukwu mmadu nwere ike ida, ogbenye noro n'aguu. Ma o nweghi ihe oma koro onye na-acho Onyenweanyi. **Aziza.**
3. Umu m, bianu geere m nti. Aga m akuziri unu itu egwu Onyenweanyi. Olee onye n'ime unu choro ndu? Onye ka o masiri ichiju ihe oma aka bie ogologo ndu? **Aziza.**
4. E kwurukwala ire gi. E jikwala egbugbere onu gi ekwu okwu aghugho. Gbakete ihe ojoo azu. Chee ihu n'ihe oma. Chowa udo, na-agba mbo maka udo. **Aziza.**

**IHE OGUGU NKE ABUO**: Efesos 5:15-20
**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degaara Ndi Efesos**
Lezienu anya nke oma n'udi ndu unu na-ebi. Biwenu ka ndi nwere uche! Unu ebile ka ndi na-enweghi uche! Agburu taa bu ndi aruru ala. Ma ndu unu na-ebi tosiri izoputa ha. Unu abula ndi nzuzu. Kama Choputanu ihe Onyenweanyi choro ka unu mee. Unu abula ndi anuruma mmanya. Nke ahu bu inufu obi. Kama juputanu na Mmuo Nso. Mgbe o bula unu zukoro onu, na-ekwenu ukwe; na-abunu abuoma. Werenu obi unu dum na-aburunu Onyenweanyi abu otito; na-ekwerenu Ya ukwe anuri; ka o wee buru na ebe nile na n'oge nile, a na-enye Chineke Nna anyi ekele, n'aha Jesu Kristi Onyenweanyi.
**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu.

**ALELUYA:** 1 Sam 3:9, Jon 6:68
***Aleluya, Aleluya!*** Onyenweanyi kwube na nwodibo Gi na-ege nti. O bu Gi ji okwu nke ndu ebighi ebi. ***Aleluya!***

**<u>OZIOMA:</u>** Jon 6:51-58

**Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Jon dere**

Jesu gwara igwe mmadu ahu si: "Mu onwe M bu achicha di ndu nke si n'eluigwe ridata. Onye o bula riri achicha nke a ga-adi ndu ebighi ebi. Achicha ahu M ga enye bu ahu M, maka ndu nke uwa." Mgbe ahu ka ndi Juu malitere irurita uka n'etiti onwe ha na-asi: "Olee otu nwoke a ga-esi enye anyi ahu Ya ka anyi rie?" Jesu wee si ha, "N'igwa unu eziokwu, o buru na unu erighi anu ahu Nwa nke Mmadu; oburukwa na unu anughi obara Ya, unu agaghi enwe ndu n'ime unu. Onye o bula riri anu ahu M, biakwa nuo obara M, nwere ndu ebighi ebi. Aga M eme ka o si n'onwu bilie n'ubochi ikpeazu. N'ihi na anu ahu M bu ihe oriri n'eziokwu; obara M bukwa ihe onunu n'eziokwu. Onye o bula riri anu ahu M, nuokwa obara M, bi ebi n'ime M; M birikwa n'ime ya. "Dika Mu onwe M, Onye Nna zitere, si enweta ndu site na Nna; otu ahu kwa, ka onye o bula riri M, ga-esi enweta ndu site na M. Leenu achicha ahu si n'eluigwe ridata. O bughi udi achicha ahu nna unu ha riri wee nwusia. Kama onye riri achicha nke a ga-adi ndu ebighi ebi."

**Ozioma nke Oseburuwa** Otito diri Gi, Kristi.

**<u>EKPERE NHUNYE:</u>**

Onyenweanyi, biko, nara aja anyi na-ehunyere Gi dika onyinye anyi ji agbanwota onyinye nke ka mma. Site n'ihunyere Gi onyinye nke a I nyere anyi, mee ka anyi nata onyinye nke bu Gi onwe Gi. Anyi na-ario ihe ndi a n'aha Jesu Kristi Onyenweanyi …..**AMEN**

**<u>EKPERE A NATACHAA ORIRI NSO</u>:**

Onyenweanyi, site n'ihe ogbugba ndu nke a, I meela ka anyi keta oke n'ime Kristi. Anyi ji umeala ario obi oma Gi, ka I mee ka anyi site n'iyi Ya n'elu uwa a, bia keta oke n'otito Ya n'eluigwe, ebe o di ndu na-achi ebighi ebi ebighi ebi……..**AMEN.**